# ÁKÀRÀ NKE ANỤỌHỊA AHỤ

## Nkpughe 13:1-18; 14:9-11.

### IHE ỌMỤMỤ 462 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma murunu anya n'oge ọ bula, nāriọ aririọ, ka unu we ka n'ike igbanari ihe nile ndia nke gaje ime, na iguzo n'iru Nwa nke madu" (Luk 21:36).**

**Nwanyị Ahụ Á na-alụ Ọhụụ nke Kraist**

Ụmụ Chineke n'echere otù óké ihe ebube gaje ime. Jisọs na-alaghachi iwepụ Nwanyị ahụ Ọ na-alụ ọhụụ site n'ụwa nke a. Onye ọ bụla nime anyị tozuru òkè nime ịdọ aka-ná-ntị Chineke nyere n'Okwu Ya pụrụ iso nime Nwanyị ahụ á na-alụ ọhụụ. Mgbe Jisọs gabịa ọzọ, aga agbanwe arụ anyị n'otù ntabi-anya, iwu ahụ ná-asị na ihe ọ bụla gara n'elu ga-ada n'ala, apụghị kwa ijigide anyị ọzọ. Anyị ga-ebili izute Onyenweanyị na mbara eluigwe. Iwu niile ná-achị ihe niile ekèrè èkè agaghị eké kwa anyị agbụ. Ndị ahụ nwụrụ dịka Ndị Kraist ná-emeri emeri ga-ebili kwa n'arụ ebube, anyị na ha na kwa ndị-nsọ ọzọ sitere n'ọgbọ dị iche iche ga-ezukọta ná nri anyasị nke Ọlụlụ-nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ.

Ma nye ndị ogbenye ahụ na-ejikereghị izute Jisọs, á ga-enwe oge nke ntarama ahụhụ dị ukwu. Nime ihe ọmụmụ anyị, n'Akwụkwọ Nkpughe anyị amụwori banyere ihe otiti ahụ ga-egbusị otù nkera ọnụ ọgụgụ ụmụ mmadụ bi n'elu ụwa. Otú ọ dị, óké nsogbu ka dị kwa n'iru nye ndị ahụ niile aga arapụ n'ụwa.

**Anụọhị a Mbụ Ahụ**

Onye ahụ ná-achị achị, nke nọ n'ọchịchị n'ihe ọmụmụ a bụ nnọọ óké ajọ mmadụ. Nkọwa ya, ná-agbaghị agụgọ, na-ezipụta ike ya na ịdị elu ya karị ihe o yiri dịka mmadụ. Dragọn ahụ nke ná enye ya ike bụ setan (Ekwensu) n'onweya, onye pụrụ ịrafu ụwa niile. Mmụọ nke Chineke agaghị anọ kwa n'ụwa ichebe ụmụ mmadụ na igosi ha eziokwu nke Okwu Chineke. Ekwensu agaghị enwe ihe ọ bụla ga-egbochi ike ya na aghụghọ ya. Ọ ga-eji kwa nrafu na ire ụtọ nwetara onweya mkpọkọta ri nne. Ihe ga-abụ ebumn'uche ya bụ ime ka mmadụ niile kpọọ isi-ala nye ya.

Ekwensu abụrụwo onye iro Jisọs mgbe niile. Ọ chọsiwo ike iweda n'ala ike nchịkọta Ya na ịchị isi Ya. Mgbe a mụrụ Jisọs n'ụwa ịbụ Onye nzọpụta mmadụ, Ekwensu tinyere n'obi Herod igbusi ụmụ amụrụ ọhụụ, ná-échè na Jisọs ga-abụrịrị otù nime ndị ahụ egburu. Ma Chineke adọworị Josef aka-ná-ntị ka o kuru Jisọs ga Ijipt tupu ya emee, ya mere na-echebere ndụ Jisọs. Mgbe Jisọs na-akwado ịmalite ọlụ òzízí Ya, Ekwensu kuuru Ya ga n'ugwu dị nnọọ óké elu wee were ọtụtụ ọnwụnwa gbalisie ike inweta Ya ka Ọ kpọọ isi-ala nye ya -- ka o wee nwapụta na Ekwensu nwere ike karịa Jisọs. Ma na mgbe ọ bụla ka Jisọs na-emeri Ekwensu. Jisọs nwere ike karịa Ekwensu -- O nwekwara ya mgbe dum, ọbụná dị mgbe Ọ nọ n'ụwa dịka mmadụ. Jisọs sịrị "Ewerewo ike nile di n'elu-igwe na n'elu uwa nyem" (Matiu 28:18). Ọ nwapụta kwara ya site n'ibilite n'ọnwụ. Ekwensu chere na ya emeriwo mgbe akpọgidere Jisọs n'elu obe. Ugbu a Jisọs anwụrụwo, Ekwensu ga-achizi uwa. Ma Jisọs biliri n'ụbọchị nke atọ, ná-emeri ọnwụ, ọkụ-ala mmụọ na ílì. Mgbe Jọn buru ụzọ hụ Kraist ahụ n'ụdị ebube n'àgwàetiti Patmọs, Jisọs gwara ya: "Buru kwa Onye ahụ nādi ndu; aghọ-kwa-ram onye nwuru anwu, ma le anamadi ndu rue mgbe nile ebigh-ebi, enwe-kwa-ram nkpisi-ugodi nile nke ọnwu na nke Hedis" (Nkpughe 1:18).

**Ihe-otiti Ahụ Nke Ná-eweta Ọnwụ Làrà**

N'ọhụ a Jọn hụrụ banyere ihe ga-eme na mgbe dị n'iru, ekwensu na-anwa ime ihe Jisọs mere. Isi anụọhịa ahụ ka "etigburu-ya-ri ka ọ nwụa; ewe me ka ihe-otiti ya ahu nke nēweta ọnwụ la" (Nkpughe 13:3). Ọ na-agbalị ịnwapụta na ya nwererị ike dịka Jisọs, ịtọgbọ ndụ ya na iwelite kwa ya ọzọ. Ewe were ya duhie ndị bi n'ụwa. Ekwusiri ike na o juru ụwa dum anya banyere anụọhịa ahụ. Ha toro ya; ha kpọrọ isi-ala nye ya. Ha jụrụ ajụjụ sị, "Ònye yiri anu-ọhia ahu? ònye pu-kwa-ra ibu agha megide ya?" N'ihe dịka ugbu a, anụ ọhịa ahụ chere na ya adịwo óké mkpà. O nwetawo isiokwu ya. Ọ na-áchizi ụwa dum. Mmadụ niile na-ákpọrọ ya isiala. O kwuluru Chineke. O kwulu kwara Ụlọ Nsọ Chineke; O kwulu kwara rị ọbụná ndị gbanarịworo ya, azọpụtara, ha wee nọdụrị n'Eluigwe.

Nke ahụ jọrọrị njọ n'onweya, ma anụọhịa ọzọ ga-apụtarị, onye ga-enyere anụọhịa mbụ ahụ aka. Ọ ga-akwagide mmadụ niile ka ha kpọọ isiala nye anụọhịa mbụ ahụ, n'ụzọ ha ga-esi kpọrị isiala nye Chineke. Ndị ụfọdụ taa, akpọwalarị isiala nye ekwensu, ma n'ụbọchị ahụ, aga akwagide mmadụ niile ka ha kpọ isiala nye

ụmụ agbara ahụ. Ọ na-ádị ọtụtụ mmadụ mkpà ịhụ́ ọlụ ebube -- ihe mmetụta n'esiteghị n'ụwa a -- karịa mkpà ibi ndụ dị nsọ. Ọ na-adị mfé irafu ụdị ndị ahụ. Ha ga-ahụ́ ọtụtụ ọlụ ebube mgbe anụọhịa ndị a ga-achị ụwa. Anụọhịa ndị a pụrụ ịkpọdata ọkụ site n'Eluigwe. Ha pụrụrị ime ka onyinyo akpụrụ akpụ n'ekwu okwu. Onye ọ bụla ga-ajụ ịkpọ isiala nye anụọhịa ahụ aga egbu ya.

**Ike Ọchịchị Gọvment**

Chineke gaarapụ anụọhịa ahụ ka ọ chịa ọchịchị ọnwa iri anọ na abụọ (42) mgbe ọ ga-emebisi ọgbụgba-ndụ ya na ndị Ju: ọ bụghị náánị n'ihe gbasara okpukpé ha -- nke ga-ajọgburị onweya -- kama ọ ga-achị na gọvment na ahịa (ihe gbasara nri na ego na ịzụ ahịa na ire ahịa). Ọ dịghị eze ma ọ bụ onye-isi obodo (President) g-aenwe ike karịa ya. Ọ ga-akwagide mmadụ niile ịnara ákàrà ya n'arụ ha n'aka ha ma ọ bụ n'egedege iru ha. Ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ ịzụta ahịa ma ọ bụ ire ihe ma ọ bụghị onye nwere ákàrà ahụ. Ọ ga-erutu ndị ọgaranya na ndị ogbenye (ọ dịghị onye ọ bụla pụrụ iji ego zụta ụzọ ya n'ụzọ inye ihe iri ngo), ma ọ bụ ndị ná-ewere mmadụ n'ọlụ ma ọ bụ ndị-ọlụ, ndị mba niile, ma nwoke ma nwanyị, ma ụmụntakịrị. Enwere ike ha ápụghịrị ịlụ ọlụ lụpụta ihe ha ji ebi ndụ; ndị ahụ nwere ego kwa ápụghị iji ya zụta nri na ákwà. Anụọhịa ahụ ga-enwezu ike niile.

**Ndị Agụrụ Ọnụ**

Oge dị mgbe ọbụ ihe á na-apụghị ime bụ ịchọpụta mmadụ niile ma dekwa aha ha ná akwụkwọ iji mata ha. Ma taa mmadụ niile na America (United States) na ụfọdụ obodo ndịọzọ na-enwe ọnụ ọgụgụ maka iji lụọ ọlụ (social number). Igwè (machine) emepụtara ọhụụ maka ịgụ ọnụ ihe pụrụ ikewasị ọnụ ọgụgụ ahụ niile (numbers) ka ewee nwee ike ịmata ebe onye ọ bụla nọ. Mba ndịọzọ pụrụ iwepụta ụdị àtụ̀màtụ̀ dị otú a ná-enweghị ihe mgbochi ọ bụla. Mgbe Onye ahụ ná-emegide Kraist (otù nime anụọhịa ndị ahụ) ga ewere ọchịchị, ọ gaghị esiri ya ike itinye kwa ihe ọzọ ga-enyere ya aka, n'akwụkwọ ọlụ ndị mmadụ -- ka o wee nwere ihe nchọpụta niile ọ chọrọ banyere onye ọ bụla. Ọ ga-amata ma ọ dị onye chọrọ ịkpọ isiala nye Jisọs, ọ ga-egbu kwa onye ahụ n'otù ugbò. Ọ ga-akwagide ịhụ́ na mmadụ niile nyere nrube isi n'ụzọ niile.

**Óké Ọnụma Chineke**

Ọtụtụ ndị mmadụ ga-agbalị ịzọpụta onweha site n'ahụhụ, ya mere na ha ga-eme ihe ahụ onye ahụ ná-emegide Kraist ga-ásị ha mee. Nke ahụ ga-akpọdakwasị óké ọnụma Chineke. Chineke gana elegide anya n'ihe niile ná-aga nime ụwa, na mgbe ọnwa iri anọ na abụọ ahụ ga-ezu, Ọ ga-ezidata n'elu ụwa óké ntarama ahụhụ mmadụ amatabeghị. Ọnụma Ya ga-abụ̀ nke "anāgwaghi agwa" -- ọ dịghị ebere ga-adị kwa. Taa, Chineke na-ata onye mmehie ahụhụ maka mmejọ ya niile, ma Ọ na-esetipụkwara ya aka ebere. Ọ bụrụ na onye mmehie ahụ échégharịa, Chineke ga-akwụsị ahụhụ ahụ, gbaghakwara onye mmehie ahụ. Anyị na-agụ n'Akwụkwọ Nsọ banyere ọtụtụ mgbe óké ndị mmehie wedatara onweha n'ala nwantịị, Chineke wee mee ka oge ahụhụ ha wee dịtụ anya n'ịbịa. N'ezie, mgbe onye mmehie chègharịrị Chineke wee gbaghara kwa, ntaram ahụhụ ọ bụla agaghị adị kwa. Ma mgbe Chineke ga-ezidata ahụhụ n'oge Óké Mkpagbu ahụ, ọ dịghị ebere ọ bụla ga-adị.

Onye ọ bụla nke natara ákàrà nke anụọhịa ahụ ka aga emekpa arụ ruo mgbe ebighị ebi n'ọdọ ọkụ ahụ. Ha adịghị ezu kwa ike ehihie na abalị site na mgbe ahụ ruo mgbe ebighị ebi. Ọ dịghị ọgwụgwụ ga-adịrị ahụhụ ebighị ebi nke Chineke. Na Jisọs kwa, Onye setipụworo ha aka ebere n'otù mgbe, Onye kpọworo, "Biakutenum, unu nile ndi nādọgbu onwe-unu n'ọlu, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike" ga-ahụ́ ihe ga-eme ha. Ọ ga-ahụ́ kwa ndị ahụ na mmekpa arụ bụ ndị gbụsara Ya ọnụ mmiri, ndị kpọgidere Ya n'obe, ndị siri, "Ọbara-Ya di ayi n'isi, di kwa n'isi umu-ayi" (Matiu 27:25).

**Ịlá N'iyi Ebighị Ebi**

Ha, na ụmụ okorobia na ụmụ agbọghọbịa pụrụ ịghọta nhụju anya dị n'ịjụ ịkpọ isiala nye Chineke taa! Ụfọdụ na-agbalị ịchọta ụzọ ha ga-eji gbanarị n'oge Oké Mkpagbu ahụ. Ma òle otú ha siri mara na ha ga-adị ndụ ruo oge ahụ? Onye ọ bụla nwụrụ na-echegharịghị na mmehie ya, ga-ala n'iyi ruo mgbe ebighi ebi. Oghere ọzọ agaghị adị kwa igbanarị ọnụma Chineke. Ịnọ n'ọkụ-ala mmụọ ebighị-ebị! Ịkwa akwa na ịta ikekere ezé ga-adị kwa. Anwụrụ ọkụ nke mmekpa arụ ha na arigo ruo mgbe niile ebighi ebi! Na-enweghị ọgwụgwụ! Ịla n'iyi ruo mgbe ebighi ebi!

**Ịhụn'anya Chineke**

Taa Onyenweanyị na-esetipụ aka Ya abụọ n'ịhụn'anya Ọ na-akpọ mmadụ niile ka ha laghachita n'Ụlọ Nna. Tule Okwu nkasi-obi dum ahụ mara mma: Ụlọ, Nna, enyi, ịhụn'anya, ihe oriri, nkasi-obi, izu ike, udo, ọñụ. Jisọs agawo ịkwadobere anyị ebe na-achọkwa ịbịa ọzọ ịkpọrọ anyị laa n'ụlọ, ebe Ọ ga-agọzi anyị ruo mgbe

ebighi ebi. Gịnị mere ị gaghị èfè Ya? Ọ sị na ọ bụrụ na ọdị ihe ọzọ fọdụrụ Ya ga-eme banyere nzọpụta anyị, na Ya ga-eme ya ri. Ọ kwụrụ ụgwọ ahụ na enweghị ọtụtụ na Kalvari ịzọpụta anyị na mmehie. Ọ bụrụ na ndị mmadụ ajụ nzọpụta Ya, ha kwesiri ịta ahụhụ n'ọkụ-ala mmụọ ruo mgbe ebighi ebi.

Ọ dịghị ụzọ ọ bụla enwere ike ịgbanarị ịrọpụta ije Eluigwe ma ọ bụ ọkụ-ala mmụọ. Onye ọ bụla amụbatara n'ụwa ga-eje n'Eluigwe ma ọ bụ n'ọkụ-ala mmụọ. Onye ọ bụla nime anyị nwere ike ịrọta. Ka anyị niile tinye ya n'obi anyị na anyị ga-erubere Okwu Chineke isi n'ihe niile ọ ga-efu anyị ka anyị we mee Eluigwe Ụlọ ebighi ebi anyị.

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị ka ndị bụ ndị nke Kraist n'ezie na-elepụ anya ya?
2. Gịnị bụ ihe ga-eme n'elu ụwa mgbe ewepụsịrị Nzukọ nke ndị ahụ Eburu ụzọ mụa?
3. Gịnị ka Ekwensu chọworo ime Jisọs?
4. Òlee ebe anụọhịa ahụ ga-esi nara ike ya?
5. Òlee otú anụọhịa ahụ ga-agbalị inweta ụdị ọnwụ na mbilite n'ọnwụ Kraist?
6. Kpọ n'otù n'otù ụfọdụ nime ihe ndị ahụ anụọhịa ahụ pụrụ ime?
7. Gịnị ka á ga-eme ndị ga-ajụ ikpọ isi-ala nye anụọhịa ahụ?
8. Gịnị ga-adị ụmụ mmadụ mkpà ka ha we nwe ike n'azụ na-ere kwa ahịa?
9. Gịnị ka Chineke ga-eme ndị ahụ natara ákàrà anụọhịa ahụ?
10. Òlee otú anyị pụrụ isi gbanarị Oké Mkpagbu ahụ?